# Mmetụta Jenda na Mkpọpụta Igbo Izugbe N'ogo Sekọndịrị Ukwu dị na Steeti Ebọnyịna Enugwu

**Fabian Uchenna Ude**[1]
Department of Arts Education, Faculty of Education,
University of Nigeria, Nsukka
E-mail: uchenna.ude@unn.edu.ng

**Magnus A. Aniago**[2]
Institute of AfricanstudiesUNN
E-mail: magnus.aniago@unn.edu.ng.

**Augusta Ngozi Abonyi**[3]
Department of Arts Education, Faculty of Education,
University of Nigeria, Nsukka
E-mail: augusta.abonyi@unn.edu.ng

**Corresponding author:**
**Uchenna.ude@unn.edu.ng**.

## Ụmị

Isiokwu nchọcha a bụ mmetụta jenda n'mkpọpụta Igbo Izugbe n'ogo sekọndịrị Ukwu dị na Steeti Ebonyi na Enugwu. Ndịnchọcha chọpụtara na ụmụakwụkwọ nọ n'ogo sekọndịrị ukwu na Steeti Ebonyị na Enugwu na-eji olu Igbo Waawa ede ma na-asụ Igbo Izugbe. Nke a mere ndịnchọcha ji lebaa anya na nchọcha a iji chọpụta ka ọbụ ụmụakwụkwọ ndị nwoke ka ọ bụ ụmụakwụkwọ ndị nwaanyị ka ọ ka emetụta mgbe ha na-akpọpụta ụdaasụsụ Igbo Izugbe. Nka nchọcha ndị nchọcha ji mee nchọcha bụ nke ndịmemecha, ebe ọnụọgụ ndị njirimee nchọcha bụ puku iri na ise, narị isii, iri asatọ na anọ (15,684) bụ ụmụakwụkwọ ndị siniọ sekọndịrị nke abụọ (SS II). Ndị nchọcha seere otu puku, nari ise na iri ise na ise (1,555). N'ime ọnụọgụ ahụ, ndị nwoke dị nari asaa, iri asatọ na ise(785) ebe ndị nwaanyị dị nari asaa na iri asaa(770). Ngwa nchọcha e ji mee nchọcha a bụ Nnwale Mmetụta Jenda na Mkpọpụta Igbo Izugbe (NMJMII) nke nwere okwu iri na ise nke ụmụakwụkwọ kpọpụtara. E ji miin na ndịpụ n'izugbe tụchaa ihe a chọpụtara. A chọpụtara na abụm oke ma ọbụ nwaanyị na-emetụta ụmụakwụkwọ na mkpọpụta Igbo Izugbe na nkụzi nke gosiri na olu Igbo Waawa na-emetụta ụmụakwụkwọ na mkpọpụta Igbo Izugbe. Ụsa nchọcha a gosiri na miin e nwetara bụ 2.7 maka ndị nwoke ebe miin nke ndị nwanyị bụ 2.8 nke gosiri na ọ ka metụta ndị nwoke karịa ndị nwanyị. Ya bụ, ndị nwanyị ka mee nke ọma na mkpọpụta Igbo Izugbe. Ndịnchọcha tụrụ aro ka ndị nkụzi gbaa mbọ na-akọwara ụmụakwụkwọ ndịiche dị n'etiti olundị na Igbo Izugbe.
**Ọkpụrụkpụ Okwu:** Jenda, Akpọmakpọ, Igbo Izugbe, Asụsụ Igbo

## Abstract

The title of this paper is influence of gender in the production of standard Igbo in senior secondary schools in Ebonyi and Enugu states. The researchers observed that senior secondary school students in Ebonyi and Enugu states use Waawa dialect in writing and speaking the standard Igbo. This prompted the researchers to carry out this research to determine whether

the influence is more on the male or female students in course of producing sounds of the standard Igbo. The researchers adopted descriptive survey design in carrying out the study while the population of the respondents was fifteen thousand, six hundred and eighty-four (15,684) SS II students, out of which, the population of males was seven hundred and eighty-five (785) while that of the females was seven hundred and seventy (770) students. Instrument for data collection was Influence of Gender in the Production of Standard Igbo Questionnaire (IGPSIQ) which contains fifteen (15) words which the students pronounced. The researchers used mean and standard deviation in analyzing the data collected. The findings of the study showed that gender has influence on students in the production of standard Igbo sounds which means that Waawa Igbo dialect influences students in producing standard Igbo. The result as shown on the table proved that the males had 2.7 while that of the females was 2.8 which revealed that the influence was more on the males than the females. It then showed that the females did better in producing the standard Igbo than the males. The researchers recommended that Igbo teachers should strive to explain to the students the difference between dialect and standard Igbo.

**Key Words:** Gender, Phonology, Standard Igbo and Igbo language.

**Mkpọlite**

Asụsụ bụ njirimara agbụrụ ọbụla nke mmadụ na ibe ya ji enwe mmekọrịta n'etiti onwe ha. Mmadụ na ibe ya na-ezipụta mbunuche ha site n'iji asụsụ. Ude na Umo (2019) kọwara asụsụ dịka ihe nrịbama nke mmadụ ji ezipụta ihe o bu n'obi mgbe ya na ndị ọzọ bịakọtara ọnụ. Ọ bụ asụsụ ka mmadụ na ibe ya ji ekwukọrịta okwu nke na e wepụ asụsụ, ọ ga-ahịa ahụ ịmata ihe mmadụ bu n'uche.

Ọzọkwa, Eze (2019) hụrụ asụsụ dịka ụda a haziri n'usoro nke si n'ọnụ mmadụ apụta ma bụrụkwa echiche mmadụ chere ma jiri ọnụ ya kwupụta nke onye na-ege ntị na-anụ ma ghọtakwa ihe o kwuru. Asụsụ bụ ụda sitere n'olu mmadụ a haziri ahazi nwere nghọta nke mmadụ na ibe ya ji akparịta ụka (Ofili, Chukwu na Anọzie, 2012). Nke a gosiri na otu n'ime uru asụsụ bara bụ iji ya wee kparịta ụka n'etiti mmadụ na ibe ya n'ụdị ekwumekwu.

Dịka ndị nchọcha kwuru na mbụ, asụsụ bụ njirimara agbụrụ dị iche iche. Asụsụ Igbo bụ njirimara ndị Igbo nke a na-asụ na mpaghara ọwụwa anyanwụ Naịjịrịa. Asụsụ Igbo dịka Williams na Blench (2000) si kọwaa so n'otu ezinaụlọ asụsụ a kpọrọ 'Proto Benue-Congo'. Steeti ise a na-asụ asụsụ Igbo gụnyere: Abịa, Anambra, Ebọnyị, Enugwu na Imo. Ebe ndị ọzọ a na-asụ asụsụ Igbo bụ na Bayelsa, Delta na Rivas.

N'ịga n'ihu, asụsụ Igbo so n'asụsụ atọ kachasị pụta ihe na Naịjịrịa: Awụsa, Igbọ na Yoruba – nke gọọmentị ala Naịjịrịa wepụtara ka a na-akụzị n'ogo ụlọakwụkwọ dị iche iche na Naịjịrịa. Ọ bụ n'ihi nnukwu mkpa asụsụ dị ka 'Federal Republic of Nigeria' (2008) ji kọwapụta nke ọma na gọọmentị nabatara ụrụ asụsụ bara dịka nke e ji akwalite ezi mmekọrịta dị n'etiti mmadụ na ibe ya, nkwụgịdesike nke ala Naịjịrịa nakwa nchekwaba omenala dị iche iche. N'ihi nke a,

gọọmentị kwadoro ka nwata akwụkwọ ọbụla mụọ otu n'ime asụsụ ọdịnala atọ ndị a, Awụsa, Igbo na Yọruba.

Ebe asụsụ Igbo so n'ime asụsụ atọ ndị ahụ nkụzi na ọmụmụ ya dị oke mkpa n'ebe ụmụakwụkwọ nọ.Ọmụmụ asụsụ Igbo n'ụlọakwụkwọ na sekọndịrị nwere alaka dị iche iche a na-akụzi na ya nke gụnyere: ụtọasụsụ, agụmagụ, omenala na edemede. Otu n'ime alaka pụtara ihe a na-amụ/akụzi n'ụtọasụsụ bụ akpọmakpọ. Ọmụmụ asụsụ na-ebido na mkpọpụta ụda dị iche iche e ji asụ asụsụ ahụ. Ọ bụ mgbe mmadụ kpọpụtara ụdaasụsụ nke ọma ma jiri ya sụọ asụsụ ka a ga-asị na onye ahụ amụtala asụsụ ahụ. Asụsụ Igbo nwere ụbara olundị nke mere o ji ahịa ụfọdụ ụmụakwụkwọ ahụ n'ọmụmụ akpọmakpọ Igbo Izugbe nke mere ha ji ewebata akpọmakpọ olundị ha dị iche iche na mkpọkọ okwu Igbo Izugbe. Ude (2016) chọpụtara na akpọmakpọ olu Igbo Waawa na-emetụta ụmụakwụkwọ n'ọmụmụ ụtọasụsụ Igbo ọ kachasịna mkpọpụta ụdaasụsụ Igbo Izugbe. Ọmụmaatụ:

| Olu Igbo Waawa | Igbo Izugbe |
|---|---|
| ishi | isi |
| waayị | nwanyị |
| wa | nwa |
| oye | onye |
| nwehi | nweghị |

Iji kwado nke a onyeisi ule WAEC (2016; 2017 & 2018) kọwara na ụmụakwụkwọ emeghị nke ọma n'asụsụ Igbo n'ihi ụbara olundị jupụtara n'asụsụ Igbo nke mere na ọtụtụ ụmụakwụkwọ ji olundị ha dị iche iche dee Igbo Izugbe. Nke a gosiri na olu Igbo dị iche iche nwere ike nwee mmetụta n'ebe ụmụakwụkwọ nọ nke nwere ike ịpụta ihe mgbe ha na-akpọpụta okwu Igbo Izugbe ma ọ bụ kwanụ na-ede ya ede. Oge ụfọdụ ụdị mmetụta dị otu ahụ nwere ike dị ire nnukwu n'ebe ụmụakwụkwọ ndị nwoke nọ ma ọ bụkwanụ n'ebe ndị nwaanyị nọ

N'ihi nke a, ndị nchọcha lebara anya na nchọcha aiji chọpụta mmetụta jenda nwere na mkpọpụta ụdaasụsụ ma ọbụ n'akpọmakpọ Igbo Izugbe n'ebe ụmuakwụkwọ no. Ya bụ, ịchọpụta ma ọ ka metụta ụmụakwụkwọ ndị nwoke ka ọ bụ ndị ụmụ nwaanyị. Jenda dịka o si gbasata ọmụmụ asụsụ, so n'ọnọdụ e nwere ike iji gosipụta ma ọ bụ oke ka ọ bụ nwaanyị na-aka eme nke ọma. Iji kwado nke a, Azikiwe (2005) kọwara na jenda na-ezipụta ihe dị iche iche dị n'etiti ụmụ nwoke na ụmụ nwaanyị n'ọmụmụ ma ọ bụ na nnweta asụsụ nke gosiri na abụm nwoke ma ọ bụ nwaanyị nwere mmetụta n'ọmụmụ asụsụ. Eze (2019) hụrụ jenda dịka ihe na-egosi ọnọdụ ịbụ oke ma ọ bụ anyị n'ụdị nwata akwụkwọ nwoke ma ọ bụ nwaanyị. Nke a gosiri na ọ dị mkpa ịchọpụta ndị ka eme nke ọma n'ọmụmụ n'ogo agụmakwụkwọ, ọ kachasị n'ogo sekondịrị ebe ndị nwoke na ndị nwaanyị na-agụkọ akwụkwọ ọnụ na steeti Ebọnyị na Enugwu.

N'ọmụmụ asụsụ Igbo Izugbe, akpọmakpọ bụ otu n'ime alaka ya a na-amụ n'ụlọakwụkwọ n'ogo sekọndịrị ukwu. N'otu aka ahụ, asụsụ Igbo nwere ọtụtụ olundị dị iche iche ma nwekwaa akpọmakpọ ndị nwe olundị ahụ e ji asụ asụsụ olundị ahụ. Nke a mere na ụmụakwụkwọ na-ewebata olundị ha mgbe ha na-akpọpụta ụdaasụsụ Igbo Izugbe nke na-emetụta ha n'ọmụmụ ụtọasụsụ Igbo Izugbe. Na nchọcha Ude (2016) mere, ọ chọpụtara na ụmụakwụkwọ n'ogo sekọndịrịukwu dị na Steeti Ebọnyị na Enugwu na-ewebata akpọmakpọ olu Igbo Waawa mgbe

ha na-akpọpụta ụdaasụsụ Igbo Izugbe. Ọzọkwa, onyeisi ule WAEC (2016, 2017, 2018) kọwara na ụmụakwụkwọ emeghị nke ọma n'ule asụsụ Igbo n'ihi na ha ji olundị ha ede Igbo Izugbe. Ihe ndị a kpalitere mmụọ ndịnchọcha iji mee nchọcha a iji chọpụta mmetụta jenda nwere n'akpọmakpọ dịka o si gbasata ụmụakwụkwọ n'ogo sekọndịrị ukwu dị na Steeti Ebonyi na Enugwu.Mbunuche nchọcha a bụ ịchọpụta mmetụta jenda n'akapọmakpọ Igbo Izugbe n'ebe ụmuakwụkwọ n'ogo sekọndịrị ukwu dị na Steeti Ebọnyị na Enugwu nọ.

Kedu ka jenda si emetụta ụmụakwụkwọ n'akpọmakpọ Igbo Izugbe?

A nwalere ụmaokwu nchọcha a n'ogo akara mpụtara ndịmiche ntụ 0.05.

$Uo_1$ E nweghị ezigbo ndịmiche n'akara miin agbammbọ ụmụakwụkwọ ndị nwoke na ndị nwaanyị na mkpọpụta ụdaasụsụ Igbo Izugbe.

**Ntụleghari̩ Agụmagụ**

**Atụtụ Njirimee Nchọcha**

**Atụtụ Akparamaagwa/Agwa Ọmụmụ Asụsụ**

Ọ bụ Skinner (1957) tụpụtara atụtụ akparamaagwa maọbụ agwa ọmụmụ asụsụ. Nkwenye Skinner bụ na ọmụmụ asụsụ bụ nke metụtara iṅọmi omume na ịkpa agwa bara mmadụ n'ụmịọkpụkpụ. Dịka o si dị n'atụtụ a, ụmụaka na-eṅomiri ụda dị iche iche na usoro akpọmụda ha na-anụ na gburugburu ha ma nweta ezigbo ihe mgbamume nke nwere ike ịbụ otito maka inwe ike ịsụ asụsụ ahụ nke ọma.

Atụtụ a dabara na nchọcha a n'ihi na o metụtara akpọmakpọ nke na-amụ maka mkpụrụụda e ji akpọpụta ụdaasụsụ dị iche iche n'asụsụ ọbụla.

**NchọchaEmerela N'isiokwu**

Ebubechineke (2023) mere nchọcha n'isiokwu bụ Olu Ezeagu n'ọmụmụ Olu Igbo Izugbe na Sekọndịrị ukwu dị n'okpuru Ọchịchị Ezeagu, Steeti Enugwu. Ụdị nchọcha o ji mee ya bụ ndịmemecha. Ebe ọ nọ mee nchọcha a bụ n'okpuru ọchịchị Ezeagu. Ọnụọgụ o ji mee nchọcha ahụ bụ ụmụakwụkwọ dị narị ise, iri asaa na isii (576) bụ ụmụakwụkwọ ndị sekọndịrị ukwu nke mbụ (SS I). Ngwa nchọcha o ji mee ya bụ ederede njụmaza nke nwere ndịna iri abụọ na ise (25). Ngwa mgbakọ na mwepụ o ji mee nchọcha bụ pesentị. Nchọpụta nchọcha ya gosiri na olu Ezeagụ na-emetụta ụmụakwụkwọ na mkpọpụta okwu Igbo Izugbe.

Nchọcha Ebubechineke na nke a nwere myiri n'ihi na ha abụọ metụtara mkpọpụta okwu Igbo Izugbe na mmetụta olundị na-emetụta ya n'ebe ụmụakwụkwọ nọ. Ọzọ kwa, o ji ndịmemecha mee nchọcha ya; ebe nchọcha nke a bụkwa ndịmemecha ka e ji mee ya. N'aka nke ọzọ, ndịiche dị n'etiti nchọcha Ebubechineke na nke ugbu a bụ na ebe o mere nke ya bụ n'Ezeagụ, ebe ndị nchọcha nọrọ mee nke a bụ na steeti Ebonyi na Enugwu. Nke ọzọ, ọnụọgụ nchọcha ya bụ narị ise, iri asaa na isii, ebe ọnụọgụ nchọcha a na-eme ugbu a dị puku iri na ise, narị isii, iri asatọ na anọ (15,684).

Nchọcha ọzọ e mere bụ nke Ude (2012) n'isiokwu bụ "Mmetụta fọnọlọjị olundị Udi n'ọmụmụ Ụtọasụsụ Igbo Izugbe n'ogo siniọ sekọndịrị dị na zoon mmụta Udi". Ụdị nchọcha o ji mee ya bụ ndịmemecha. O ji ederede njụmaza mee nchọcha ya. Ọnụọgụ nchọcha ya dị otu puku, narị isii, na iri ise (1,650) bụ ụmụakwụkwọ. O ji miin na ndịpụ n'izugbe wee tụcha ihe o nwetara na nchọcha. Nchọpụta nchọcha ya gosiri na olundị Udi na-emetụta ụmụakwụkwọ na mkpọpụta

okwu Igbo Izugbe. Nchọcha Ude (2012) nwere myiri na ndịiche dị n'etiti ya na nke a na-eme ugbu a. Myiri dị n'etiti ha abụọ bụ na ha metụtara mmetụta olundị na mkpọpụta okwu Igbo Izugbe. Ọzọ kwa, ọ bụ ndịmemecha bụ ụdị nchọcha e ji mee ha. Ọ bụkwa njụmaza ka ndị nchọcha ji mee nchọcha ndị ahụ. N'aka nke ọzọ, ndịiche dị n'etiti nchọcha Ude (2012) na nke ugbu a bụ na ebe Ude (2012) mere nchọcha ya n'Udi, ndị nchọcha nke a mere nke ha na steeti Ebonyi na Enugwu. Ọzọ kwa, ọnụọgụ nchọcha Ude (2012) dị otu puku, narị isii na iri ise ebe ọnụọgụ nchọcha nke ugbu a dị puku iri na ise, narị isii, iri asatọ na anọ (15,684).

Akabọgụ (2002) mere nchọcha n'isiokwu a kpọrọ"Adịmire ngwa mkpụrụokwu asụsụ Bekee na Mmeta nke ọma Ụmụakwụkwọ Sekọndịrị n'aghọtaazaa". Nka ọ ji mee nchọcha ya bụ 'Kwazaị eksperimental' n'asụsụ Bekee. Ọbụ na zoon mmụta Enugwu ka ọ nọ mee nchọcha ya. Ọnụọgụ o ji mee nchọcha ya dị nari abụọna iri isii (260) bụ ụmụakwụkwọ nọ n'ogo sekekọndịrị ukwu nke abụọ. Ngwa nchọcha ya bụ njụmaza,ebe o ji ANCOVA tụcha ihe o nwetara na nchọcha. Nchọcha Akabọgụ gọsiri na jenda enwekabeghị ihe pụrụ iche dị ukwu n'ebe ọmụmụ asụsụ dị dịka o si metụta ndị nwoke na ndị nwaanyị.

Nchọcha Akabogụ yitere nke a n'ihi na ọ bụ site n'ọgụgụ ka e si akpọpụta ụda dị iche iche dị n'asụsụ. N'aka nke ọzọ, nchọcha ya metụtakwara akpọmakpọ nke na-arụtụkwa aka na mkpọpụta ụda mgbe a na-agụpụta ihe. Nchọcha ya metụtara jenda dịka nke a si metụtakwa jenda. Nchọcha Akabọgụ dị iche na nke a n'ihi na ọ bụ naanị na zoon mmụta Enugwu ka o mere nke ya, ebe nke a bụ na Steeti Ebọnyị na Enugwu ka e mere ya. Nchọcha Akabọgụ dabeere n'aghọtaazaa mana nke a bụ n'akpọmakpọ ka ọ dabeere.

Nchọcha ọzọ gbasara jenda bụ nke Umo (2001) mere n'isiokwu a kpọrọ "Adịmire usoro egwuregwu na mmasị na mmeta nke ọma ụmụakwụkwọ ndị sekọndịrị nta n'ụtọasụsụ Igbo". Nka nchọcha ya bụ "Kwazaị eksperimental" n'asụsụ Bekee. Ọ nọ na zoon mmụta Nsụka mee nchọcha ya ma jiri ụmụakwụkwọ ọnụọgụ ha dị otu nari na iri itoolu na asaa(197). O ji ederede njụmaza mee nchọcha ya ma jiri ANCOVA tụchaa ihe o nwetara na nchọcha. Nchọcha ya gosiri na jenda nwere mmetụta n'agbammbọ ụmụakwụkwọ n'ọmụmụ ụtọasusụ Igbo.

Nchọcha Umo na nke a nwere myiri n'ihi na ha abụọ metụtara ụtọasụsụ Igbo. Myiri ọzọ bụ na ha abụọ metụtara jenda. Ndịiche dị n'etiti nchọcha Umo na nke a bụ na ebe Umo mere nchọcha ya na zoon mmụta Nsụka, nchọcha nke a bụ na Steeti Ebọnyị na Enugwu ka a nọ mee ya. Ọzọkwa, Umo rụtụrụ aka n'alaka ụtọasụsụ Igbo ndị ọzọ mana nchọcha nke a dabeere n'akpọmakpọ ụtọasụsụ Igbo.

N'ime nchọcha ndị ahụ a rụtụrụ aka n'elu ebe a, o nweghị nke e merela na mmetụta jenda na mkpọpụta Igbo Izugbe n'ogo sekọndịrị Ukwu na Steeti Ebọnyịna Enugwu. Ọ bụ nke a mere ndịnchọcha ji mee nchọcha a na Steeti ndị ahụ.

**Usoro Nchọcha**

Nka nchọcha ndịnchọcha ji mee nchọcha a bụ nke ndịmemecha. Ndịmemecha bụ nka nchọcha nke ndịnchọcha ji achọpụta mmetụta otu ihe maọbụ ọnọdụ nwere n'ebe ihe ọzọ dị. Ya bụ,ụdị

nchọcha na-eleba anya n'ihe kpatara ihe ji mee mgbe otu ọnọdụ metụtara nke abụọ nke nwere ike ịpụta ihe n'ezi mmetụta ma ọ bụ nke ọjọọ. Iji kwado nke a, Ali (2006) kọwara na ndịmemechabụ ụdị nka nchọcha a na-eji atụle mmetụta dị n'etiti agbammbọ nke otu/ogbe mmadụ abụọ. Ya bụ ịchọpụta ihe mere na ndị otu 'a' ka mee nke ọma karịa ndị otu 'b' n'otu nnwale ma ọ bụ nke ọzọ. Ya bụ dịka n'abụm oke ma ọbụ anyị.

Ebe e mere nchọcha a bụ na Steeti Ebọnyị na Enugwu. Steeti abụọ ndị ahụ so na Steet ise mejupụtara ala Igbo ndị gụnyere, Abịa, Anambra, Ebọnyị, Enugwu na Imo. Ndịnchọcha họọrọ Steeti abụọ ndị ahụ n'ihi na ha na-asụ olu Igbo Waawa, tinyere na ụmụakwụkwọ nọ na Steeti Ebọnyị na Enugwu na-ewebatakarị alu Igbo Waawa mgbe ha na-asụ ma na-ede Igbo Izugbe nke na-emetụta ha n'ule dị iche icche nakwa n'ọmụmụụtọasụsụ Igbo Izugbe.

Ọnụọgụ e jị mee nchọcha dị puku narị na ise, narị isii, iri asatọ na anọ (15,684) bụ ụmụakwụkwọ ndị nọ n'ogo sekọndịrị ukwu nke abụọ (SS II). Ndị nchọcha seere otu puku, nari ise, iri ise na ise (1,555) bụ ụmụakwụkwọ sekọndịrị nke abụọ. N'ime ọnụọgụ ahụ, ụmụakwụkwọ ndị nwoke dị nari asaa, iri asatọ na ise (785)ebe ndị nwaanyị dị nari asaa na iri asaa (770).

Ngwa nchọcha ndịnchọcha ji mee nchọcha a bụ "Nnwale mmetụta Jenda na Mkpọpụta Igbo Izugbe" (NMJMII) nke nwere okwu iri na ise ụmụakwụkwọ kpọpụtara. E ji ekwentị dọrọ mkpọpụta ha nyere.

Ndịnchọcha gara n'ụlọakwụkwọ iri abụọ (20) e ji mee nchọcha a wee nye ụmuakwụkwọ okwu iri na ise ahụ nke ha kpọpụtara. Ndịnchọcha ji ekwentị dọrọ mkpọpụta ha nyere tupu enye ha akara site n'enyemaka ndị nkụzi na-akụzi asụsụ Igbo n'ulọakwụkwọ ndị ahụ e ji mee nchọcha a.

Ọ bụ miin na ndịpụ n'izugbe ka ndịnchọcha ji tụchaa ihe a chọpụtara na nchọcha. N'aka nke ọzọ e jikwa T-test wee nwale ụmaokwu nchọcha.

**Ntụcha Ihe Achọpụtara**

E nyere ụmụakwụkwọ okwu ndị a ha kpọpụtara:

- Aghara
- Ọnwụ
- Ọnụ
- Anyị
- Onye arịrịọ
- Enwe
- Anwụ
- Anya
- Ezi
- Agha
- Amaghị m
- Nwere
- Were

- O nweghị
- Oghere

Ka jenda si emetụta ụmụakwụkwọ na mkpọpụta Igbo Izugbe

**Tebul Nke Mbụ:** Miin na Ndịpụ n'Izugbe gosiri etu jenda si emetụta ụmụakwụkwọ na mkpọpụta Igbo Izugbe.

| Jenda | Ọnụọgụ N | $\overline{X}$ | Ndịpụ n'Izugbe SD | Mkpebi |
|---|---|---|---|---|
| Male | 785 | 2.75 | .80542 | A nabatara |
| Female | 770 | 2.88 | .79503 | A nabatara |

Tebul nke mbụ gosipụtara akara miin agbammbọ ụmụakwụkwọ dịka o si gbasata jenda. Ebe ndị nwoke nwere akara miin 2.75 ya na akara ndịpụ n'izugbe .80542; ụmụakwụkwọ ndị nwaanyị nwetara 2.88 na akara ndịpụ n'izugbe .79503. Site na miin ndị ahụ, o gosiri na ndị nwaanyị ka mee nke ọma n'akpọmakpọ ụtọasụsụ Igbo Izugbe. Nke ọzọ, o gosiri na jenda nwere mmetụta n'ebe ụmụakwụkwọ nọ n'akpọmakpọụtọasụsụ Igbo Izugbe.

**Nnwale Ụmaokwu site n'iji 't-test'**

$Uo_1$: E nweghị ezigbo ndịmiche n'akara miin agbammbọ ụmụakwụkwọ ndị nwoke na nke ndị nwaanyị na mkpọpụta Igbo Izugbe.

Ụmaokwu maka agbammbọ ụmụakwụkwọ ndị nwoke na nke ndị nwanyị na mkpọpụta Igbo Izugbe.

**Tebul Nke Abuo:**Ntụcha't-test' na-egosi akara miin ndịmiche n'agbammbọ ụmụakwụkwọ dịka o si gbasata jenda na mkpọpụta Igbo Izugbe.

| Jenda | N | $\overline{X}$ | SD | t | df | Sig (2-tailed) |
|---|---|---|---|---|---|---|
| Ndị Nwoke | 785 | 2.75 | .80542 | -3.173 | 1553 | .002 |
| Ndị Nwaanyị | 770 | 2.88 | .79503 | | | |

Tebul nke abụọ dị n'elu ebe a gosipụtara akara ndịmiche e nwetara na nnwale ụmaokwu maka jenda: $t = 3.173$; $df = 1553$; $p < 0.05$. Ebe ọ bụ na ogo akara ndịmiche (.002) dị nta karịa 0.05, a dabaghị ịnabata ụmaokwu nke nọl nke gosiri na e nwere ezigbo ndịmiche na miin agbammbọ ụmuakwụkwọ ndị nwoke na ndị nwaanyị. Miin ndị nwoke bụ 2.75 ebe nke ndị nwaanyị bụ 2.88. Ọ bụ ụmụakwụkwọ ndị nwaanyị ka ndịmiche ahụ dabaara.

**Mkparịta Ụka N'ihe A Chọpụtara**

**Etu Jenda si Emetụta Ụmụakwụkwọ na mkpọpụta Igbo Izugbe**

Nchọpụta nchọcha a gbasatara jenda gosipụtara na jenda nwere mmetụta na mkpọpụta ụtọasụsụ Igbo Izugbe. Akara miin e nwetara na tebul dị n'elu ebe a gosiri na ebe ndị nwoke nwere 2.75, ndị nwaanyị nwere miin 2.88 nke gosiri na ụmụakwụkwọ ndị nwaanyị nwere miin 2.88 nke gosiri na ụmụakwụkwọ ndị nwaanyị ka mee nke ọma karịa ndị nwoke. Dika Ụmọ (2001) si kọwaa, ndị mmadụ kwenyere na ụmụnwaanyị na-enwekarị mmụọ n'ọmụmụ asụsụ dị iche iche karịa ndị nwoke. O gospụtara na jenda na-emetụta nkụzi na ọmụmụ asụsụ Igbo n'ihi

na mba ụwa dị iche iche nwere asụsụ dị iche iche na-emetụta jenda. Ihe nke a pụtara bụ na asụsụ Igbo adịghị iche n'asụsụ ndị ọzọ na-emetụta jenda.

Nchọcha a dabakwara na nkwenye Akabogu (2002) maka jenda n'ihi na ọ chọpụtara na ụmụaka ndị nwaanyị na-aka eme nke ọma na mkpọpụta okwu ndị nwere otu ụda na ụda abụọ nke kwadoro na ụmụnwaanyị na-amụtakarị asụsụ ọsọsọsọ karịa ụmụnwoke.

**Mmechi**

Nchọcha a gbara mbọ gosipụta na jenda na-emetụta ụmụakwụkwọ n'akpọmakpọ Igbo Izugbe. O gosiri na ọ ka metụta ụmụakwụkwọ ndị nwoke karịa ndị ụmụ nwaanyị n'ogo sekọndịri ukwu dị na Steeti Ebọnyị na Enugwu.

**Ntụnyere Aro**

Site n'ihe a chọpụtara, ndịnchọcha tụrụ arọ ndị a:

i) O kwesịrị ka a na-enye ụmụakwụkwọ ndị nwoke bụ ndị Igbo Waawa ihe mgbamume iji mee ka ha nwee mmasị ịmụ ụtọasụsụ Igbo.

ii) O kwesịrị ka a na-akụzi ekwumekwu ọnụ Igbo n'ụlọakwụkwọ ma na-elekwa ya n'ule siniọ sekọndịrị.

**Nrụaka**

Akabogu, J.U. (2002). Effects of secondary school students' exposure to English language registers contextual clues on achievement in reading comprehension. Ph.D Thesis, Department of Arts Education, Faculty of Education, UNN.

Ali, A. (2006). *Conducting research in education and the social sciences*. Enugu: Tashiwa Networks.

Azikiwe, U. (2005). Gender influence on achievement in language. *International Journal of Arts and Technology Education*. 2(2), 22-30.

Ebubechineke, I.B. (2023). Olu Ezeagụ n'ọmụmụ olu Igbo Izugbe na sekọndịrị ukwu n'okpuru ọchịchị Ezeagu, steeti Enugu. Ph.D Thesis. Institute of African Studies, University of Nigeria Nsukka.

Eze, J.N. (2019). Admire kọmpụta, mmasị na mmetadebe ụmụakwụkwọ n'ụtọasụsụ Igbo na sekọndịrị ukwu nke Steeti Ebọnyị. Ph.D Thesis. Department of Arts Education, Faculty of Education, UNN.

FRN, (2008). *National policy on education*. Lagos: NERDC Press.

Ofili, N.D., Chukwu, A.O. & Anozie, C.C. (2012). *Linguistiki sayensi asụsụ II*. Enugwu: Computer Edge publishers.

Skinner, B.F. (1957). *Verbal behaviour*. New York: Appletion.

The West African Examinations Council (2016, 2017, 2018). Chief examiners' reports Nigeria. Lagos: WAEC. www.waec.

Ude, F.U. & Umo, U.C. (2019). Mmetụta fọnịm olu Igbo waawa na mkpọpụta okwu Igbo Izugbe n'ogo siniọ sekọndịrị dị na Steeti Ebonyi na Enugwu. *Ikenga International of Institute of African Studies,* UNN 20(1) 144-155.

Ude, U.F. (2012). Mmetụta fọnọlọjị olundị Udi n'ọmụmụ ụtọasụsụ Igbo Izugbe n'ogo siniọ sekọndịrị dị n'okpuru ọchịchị Udi, steeti Enugu. M.Ed Thesis, Department of Arts Education, University of Nigeria, Nsukka.

Ude, F.U. (2016). Mmetụta Akpọmakpọ olu Igbo waawa n'ọmụmụ ụtọasụsụ Igbo Izugbe n'ogo sịnịọ sekọndịrị dị na Steeti Ebonyị na Enugwu. Ph.D Thesis, Department of Arts Education, Faculty of Education, UNN.

Umo, U.C. (2001). Effects of games on the achievement and interest of JSS II in Igbo grammar. Ph.D Thesis, Department of Arts Education, Faculty of Education, UNN.

Williams, K. & Blench, R. (2000). Niger-congo. In Heine, B. & Nurse, D. (Ed). *African languages: An introduction*. Cambridge: Cambridge University Press.